Ákụ́óyìbó Nsugbe Journal of the School of Languages (ANJOSOL)
Vol 2 No. 1, 2026: 350-359
https://ojs.universityedu.org/index.php/anjosol/index
*The official biannual Journal of the School of Languages, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe*
eISSN: 3122-0088
pISSN: 3122-0096

# Nzipụta Ndị Ọchịchị Na Ndị Ha Na-achị n'Ụfọdụ Abụ Igbo

**Anagor, Chioma C.**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzirịkọrịtaozi, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Corresponding Author: cc.anagor@unizik.edu.ng

ARTICLE INFO

**Okwu ọkpụ:** *Ọchịchị, ndị ọchịchị, ndọrọndọrọ ọchịchị na abụ.*

©2026 Author(s): This is an open-access article distributed under the terms of the Creative Commons Attribution 4.0 International

**Ụmịedemede**

*Ọchịchị n'ala anyị abụrụla ihe ọchị nye ndị a na-achị na mba ụwa ndị ọzọ n'ihi etu ndị ọchịchị si akpaso ndị ha na-achị agwa ọkachasị n'oge a. ndị ọchịchị ji ọchịchị emegide ụmụ mmadụ, ọtụtụ ihe mmekpo na-abawanye. Agụụ na-egbu ndị a na-achị, ihe na-akawanye njọ n'ike mana ahụghị onye a kọọrọ. Ndị nọ n'isi ọchịchị na-akpakọ akụnaụba ụmụ ha site n'ibughara ego e kwesịrị iji lekọta ndị a na-achị ma mezie obodo. Ihe ndị a ka ederede a chọrọ iji abụ anọ ndị a, Arịrịọ, n'Ịchụ Nta Vootu, Ọchịchị na Ndọrọndọrọ wee zipụta ọnọdụ ndị a na-achị nọ n'ime ya ka ụwa wee hụta ma nụrụ olu ha. Atụtụ marxizm nke Karl Marx 1818-1883 na Fredrich Engels 1820-1895 tụpụtara ka e ji tụchaa abụ ndị a ma gbaso usoro nkọwa mee ka ihe a na-ekwu doo anya. A chọpụtara na ndị ọchịchị abụghị ihe ha kwere na nkwa ha ga-emere ndị mmadụ n'oge ha na-achọ inweta ntuliaka ha ka ha na-emezị ngwangwa ha tutere ugo mmeri. Ọ dị mkpa ka ndị mmadụ mata na ego abụghị ihe niile n'ihi na ego anaghị anọte aka agwụ mana ha na-anọ ihe ruru afọ anọ n'oche ọchịchị tupu ha arịtuo ma ọ bụrụ na ha enwetaghị ntuliaka ndị mmadụ ịchị afọ anọ ọzọ. Ọ ga-abụ ihe dị mma ma ndị ọchịchị gee nti n'akwa na arịrịọ ndị ha na-achị iji mee mba a ka ọ dị ka mba ndị ọzọ n'ihi na ọ kwere omume ma ha kwụwa aka ha ọtọ.*

## Ndubanye

Ọchịchị bụ ihe dị n'aka ndị ọchịchị ndị nke nọ n'otu dị iche iche dị ka PDP, APC, APGA, HOPE, ACCORD d.g.z. onye anọghị n'otu ọbụla anaghị enweta ohere ịchị achị. Ọ bụghị naani ịbanye n'otu otu bụ isi kama na tupu a mara onye ahụ n'otu a, ọ ga na-eme ihe ego iji sonye na ndị ọnụ na-eru n'okwu maka na "ọ bụ onye ji igu ka ewu na-eso" dị ka ndị Igbo si kwuo n'okwu. Oge ndọrọndọrọ ọchịchị ruo, onye/ndị nwere mmasị ịchị n'ọkwa niile e nwere n'ala a na-akwụ ụgwọ karịrị otu nde iji zụta akwụkwọ ikike ịpụta soro zọọ ọchịchị. Ihe ndị a mere na oge onye/ndị ahụ nwetara ohere ịchị achị, ha na-amalite ibukọta ego ka ha wee mechie nke ha tufuru oge ha na-azọ ọchịchị ma kpata nke ga-ezuru ha na agbụrụ ha niile n'ihi na ọ gaghị epu ome n'oche ọchịchị.

N'oge ntuliaka, ha na-ekwe nkwa dị iche iche nke abụghị ihe siri ike imezu ma ọ bụrụ na ha chọrọ ịrụ ọrụ kama, oke ọchịchọ na ịkwata ihe n'ike agaghị ekwe ha. Ha ga-ekwe nkwa dị ka; ịrụ okporoụzọ maọbụ dozie ndị mebiri emebi, gbapuo mmiri, nye ụmụ ndị ogbenye agụmakwụkwọ n'efu, tinyere ndị ọrụ oyibo ego n'ụgwọ ọnwa, kwụọ ụgwọ niile gọọmentị ji onye ọbụla, nye ezi nchekwa, nye ndị oru ugbo enyemaka iji hụ na nri bụ atụrụ tawa ma dịkwa ọnụ ala d.g.z. Ngwangwa o nwetara ohere ịnọ n'isi ọchịchị, ọ dighịzị ihe ọbụla ọ ga-arụ, ọ gaghị echeta ụmụ ogbenye ndị sonyere n'ịhụ na o tutere ugo mmeri. Ntị ya ga-anyachi anyachi ebe obi ya ga-abụzị okwute.

Etu ihe si kwụrụ, ọ bụghị ihe niile ka mmadụ ga-eji ọnụ ya kọọ iji gbanarị ntaramaahụhụ site n'aka ndị ọrụ nchekwa. Ya mere, ndị odee abụ dị ka ndị amụma na ndị nwere ikike ide ihe ọbụla dị ka ha si nweta mkpali mmụọ na-esite n'abụ ha na-ezipụta ka ihe si dị na mba anyị ka onye ọbụla hụ ọnọdụ ọchịchị site n'aka ndị ọchịchị wee nye ndị ha na-achị. Nke a ga-eme ka ndị mmadụ kpachapụ anya ka ha si atụnyere ndị na-azọ ọchịchị n'ihi na ọ bụ ha ga-ata ahụhụ ọbụla so mkpebi ahụ ma ha tụnyere ndị ajọ mmadụ. Ọ ga-emekwa ka ndị ọchịchị mata na ndị mmadụ maara ihe niile ha na-eme nke nwere ike ime ka ha chegharịa uche ma mezie obodo nke ọma iji belata ahụhụ ndị mmadụ na-ata.

Abụ ndị a họọrọ gụnyere;
"Ọchịchị" n'ime *Izunwanne* – Ifeka, O.R, Nsolibe, O. na Ezechukwu, T
"n'{chụ Nta Vootu" n'ime *Nkemakọlam* – Nolue Emenanjo (Ed)
"Arịriọ" n'ime *Ụtara Nti*- Nolue Emenanjo (Ed)
"Ndọrọndọrọ" n'ime *Echiche* – Ezeuko, R.O na Anọwaị, J.I

**Atụtụ**

E ji atụtụ marụsm nke Karl Marx (1818-1883) na Fredrich Engels (1820-1895) tụpụtara iji lebaa anya n'ihe gbasara ihe nweta, ọchịchị, ụzọ nrụpụta ihe. Mana e mechara were atụtụ a wee lebawanye anya n'agụmagụ iji chọpụta mmekọrịta dị n'etiti ndị ukwu na ndị nta, ndị nọ n'isi na ndị nọ n'okpuru, ndị na-achị na ndị a na-achị, ọgaranya na ogbenye. Ndị kwenyere n'atụtụ a mechara kwuo site na nchọcha ha na ndị na-ekpebi ka ihe si eme na ọgamniihu obodo ọbụla bụ ndị ọnụ na-eru n'okwu nke gụnyere (ndị ọchịchị, ndị ji ego) Ifejirika (2014:189-189).
Nke a mere atụtụ a ji dabakarịa n'ịtụcha isiokwu a iji zipụta mmekọrịta dị n'etiti ndị ọchịchị na ndị ha na-achị wee mata ma ọ bụ nke ziri ezi ka ọ bụ nke ezighị ezi.

**Ntụleghari agụmagụ**

Nneke (2019), n'ederede ya n'isiokwu "Political Leadership in Nigeria: An Analysis of *Ụwa Bụ Agha*"gbadoro ụkwụ n'iduuazị nke akụkọ mere n'ime ya gbadoro ụkwụ na ndọrọndọrọ ọchịchị na ọchịchị n'ụlọakwụkwọ mahadum. O ji ya wee tụnyere etu ihe ndị ahụ mere n'ime akwụkwọ ahụ si apụta ihe n'ọchịchị ala Naịjirịa. A chọpụtara na ndị ọchịchị batara n'aka nwere ndị ha na-emenyere tụmadị ndị kwụnyeere ha na mbụ maọbụ ndị nọ n'otu ha. Nke a na-eme na ndị ọnụ erughị n'okwu na ndị ọkwa eruteghị na-agba ndị nọ n'ọkwa ahụ mgba iji hụ na ha emeghị nke ọma. Ụfọdụ ndị nọ n'isi na-eji ohere ahụ ikike batara ha aka wee megide ndị niile akwụnyeghịịrị ha na mbụ. Nke a gosikwara enweghị ezi mmekọrịta dị n'etiti ndị nọ n'isi na ndị nọ n'okpuru ha.

Anachunam (2023) dere n'isiokwu "Nzipụta Na Nkọcha Ajọ Akparamaagwa Ndị Ọchịchị Naịjirịa Site n'Abụ Ndị A Hoọrọ". N'ebe a, ọ gbadoro ụkwụ n'akwụkwọ abụ *Ije Ụwa, Echiche na Akọnauche* wee zipụta ma kọchaa ajọ akparamaagwa ndị ọchịchị dị ka o si pụta ihe n'akwụkwọ abụ ndị ahụ. A chọpụtara na ndị odeabụ ndị a zipụtara ndị ọchịchị dị ka ndị na-ekwe ọtụtụ nkwa emeghị eme iji nweta ihu ọma n'ebe ndị ha na-achị achị nọ. Ọ kọwakwara na abụ bụ enyo e ji ahụta ndụ nke mere e ji si n'abụ ndị a hoọrọ hụta ajụ akparamaagwa ndị ọchịchị.

Udoma (2025) n'isiokwu ederede ya "Ntụcha Abụ Ederede Igbo Ụfọdụ A Hoọrọ Dịka Enyo E Ji Ahụta Ebimndụ n'Ụwa", lebara anya n'abụ ụfọdụ pụtara ihe n'akwụkwọ abụ *Izunwanne*. A chọpụtara na abụ ndị a zipụtachara ka mmadụ si ebi ndụ tụmadị enweghị ezi ebumnobi ndị ọchịchị n'ebe ndị ha na-achị achị nọ. Odee gbakwara mbọ iwepụtacha nka odeabụ iji gosipụta etu ndị odee si e ji nka ha eme ka mmetụta obi gbaa elu.

**Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu ndị pụtara ihe**

**Ọchịchị**

Ọchịchị bụ mmadụ maọbụ karịa inwe ikike ịchịkwa ndị ọzọ maọbụ inye ndị ọzọ iwu ha ga na-agbaso eme ihe n'otu ha, ụlọọrụ, obodo, steeti maọbụ mba ha. Martinuzzi (2021) kọwara ụdị ọchịchị dị iche iche e nwere nke gụnyere;

1. Ọtọkratik: Nke a bụ ụdị ọchịchị onyeisi na-eti iwu ma ọdịghị onye ga-agbagha okwu ya. Ihe ọbụla ọ sị ha mee, onye ọbụla e mee ya etu o si kwuo.
2. Ọtọrịtativu: Nke a bụ ụdị ọchịchị onyeisi nwere uche nke aka ya, ọ maara ihe ọ chọrọ imenke mere na onye ọbụla ga-esonye nzọ ụkwụ ya etu ahụ. Nke a apụtaghị na ọ naghị anabata alo ndị mmadụ kama ọ bụ onye na-eji olu ike ezipụta ihe ọ chọrọ.
3. Peciseta: n'ụdị ọchịchị a, onyeisi na-ebu ụzọ zọpụ ụkwụ k andị ọ na-achị lere anya n'ihe ọ mere wee mee. Ọ naghị agwa ndị na-eso ya mee ihe ma ọ bụrụ na o bughị ụzọ mee ya iji gosi

ha ihe a tụrụ anya n'aka ha. Ụdị ọchịchị a na-enye aka ikwalite mmụọ ndị a na-achị ma nyere aka imeka ọrụ na-aga n'ihu n'ihi na ọ dịghị onye ga-achọ ka ọ bụrụ onye ikpeazụ maọbụ hapụ ịmeta ihe ahụ onyeisi ha mere.

4. Demokratik: n'ụdị ọchịchị a, onyeisi na-enye ndị mmadụ ohere izipụta ihe ha nwere n'uche ha maọbụ gbaso ụzọ ọzọ wee mee ihe enyere ha mana ihe ọ maara bụ ka ha mee ihe a gwara ha n'agbanyeghị ụzọ ha chọrọ ịgbaso. Ọ naghị eti iwu n'ihi na ọ kwenyere na uche onye adịghị ya njọ.
5. Kochiin: Ụdị ọchịchị a bụ ebe onyeisi maọbụ onye ndu na-enye ndị ọ na-edu usoro ha ga-agbaso mee ihe e nyere ha. Ọ na-anọrọ n'akụkụ na-ele ka ha ga-esi zipụta ihe o nyere ha n'ihi na ọ kwenyere na onye ọbụla nwere ikike ime ihe ọbụla ma o tinye uchu na ya.
6. Afịlietivu: n'ụdị ọchịchị a, e ji ya akwalite mmekọrịta n'etiti ndị a na-edu n'ihi na a na-enyekọ onye ọbụla ọrụ ha ga-arụ ọnụ iji nyere ha aka ịtụpụtasị nka ha iji rụọ ọrụ ahụ nke ọma.
7. Leza-afee: nke a bụ ụdị ọchịchị onyeisi/onye ndu achọghị ịma ka ndị ọ na-edu si eme. Etu onye hụrụ ya si rụọ ọrụ e nyere ya ọ gbasaghị onyeisi. Ụdị onye ndu a na-atụkwasị ndị o na-edu obi na ha ga-eme ihe niile e nyere ha ma ọ nọ ya ma ọnọghị ya nke mere na ndị ọ na-edu bụ ndị ndu onwe ha.

**Ndị Ọchịchị**

Ndị ọchịchị bụ ndị ndu. Ha bụ ndị na-emebe iwu, ndị na-anọchite anya ndị obodo ha, ụlọọrụ ha, ọhaneze na mba ha n'ogo dị icheiche. Ha bụ ndị ọnụ na-eru n'okwu n'ebe ihe gbara ọchịchị nọ. Geys na Mause (2017) kwuru sị;

> "Politicians are persons involved in the process of public policymaking in their role as members of government, parliaments, political parties and other political bodies at the (sub) national level".

Nkọwa ha gosịrị na ndị ọchịchị bụ ndị na-esonye n'imebe iwu n'ogo ha dị ka ndị otu gọọmentị, otu ndọrọndọrọ ọchịchị na otu ọchịchị ndị ọzọgasị. Ihe nke a zipụtara bụ nao nye ọbụla kpọrọ onwe ya onye ochịchị ga-enwerịrị otu na-esonye n'imebe iwu nke ọ nọ n'ime ya maọbụ otu ndọrọndọrọ ọchịchị.

**Ndọrọndọrọ Ọchịchị**

Rom, Hidaka na Walker (2022) kwuru na Aristotle kpọrọ mmadụ anụmanụ ndọrọndọrọ ọchịchị n'ihi na ọ bụ site na ndọrọndọrọ ọchịchị ka mmadụ ga-eji ruo n'ogo dị elu. Ha gara n'ihu ịkọwa na ndọrọndọrọ ọchịchị enweghị nkọwa pụrụ iche a ga-enye ya n'ihi na mgbe mmadụ pụtara ka ndọrọndọrọ ọchịchị malitere. Ọ na-apụta ihe n'ebe ọbụla ndị mmadụ nọkọrọ ma n'ime ezinaụlọ.

Ndọrọndọrọ ọchịchị bụ ụzọ ndị mmadụ si ahọpụta onye maọbụ ndị ga-achị ha site na ibinyere ha aka n'akwụkwọ achụm nta vootu. A na-eme nke a na ọchịchị onye kwuo uche ya iji hụ na onye ọbụla tụnyeere onye nke ọ chọrọ maka anaghị akwanyere ndị mmadụ onye ndu dị ka e si eme oge ndị amị na-achị. E binyesie aka n'akwụkwọ, onye nke ndị mmadụ ka wee binyere aka ga-arigoro n'ọkwa ka onye ndu. Nke a mere na ndị mmadụ na-akpachapụ anya oge a na-eme ntuliaka n'ihi na onye ọbụla ha họpụtara site n'ibinyere ya aka ga-edu ha afọ ole atụpụtara dị ka iwu na-achị obodo maọbụ otu ahụ si dị.

**Abụ**

Nchọcha a dị ka nke metụtara abụ lebara anya n'echiche ụfọdụ ndị gbasara abụ. Abụ bụ otu n'ime nagalaba agụmagụ nke gụnyere ejije na iduuazị. Ibitọla (2005:7) kọwara abụ ka edemede si na mkpali nke ime mmụọ na mmetụtaobi wee pụta. Ọ bụ ụzọ e si ejikọ ihe ụtọ na eziokwu dị na ya site n'echiche na amamihe. Ihe niile a mere odee abụ na-enwe ohere iji asụsụ sọrọ ya dee abụ ya ka o wee metụta ọgụụ n'obi.

Nwachukwu, Oyeleye na Uwasomba (2005:5) hụtara abụ ka nchịkọta ndanusoro, nhazi, isiokwu, nkeji, atụmatụokwu, echiche ode, agwa ya gbasara isiokwu d.g.z. ihe ndị a niile ka a na-ezipụta n'udi ederede nke na-akpọta akọnuche ndị mmadụ na ya tụmadi mgbe e ji okwu mee ihe n'ebe atụghị anya. Ikedimma (2008:73) chịkọtara ya site n'ikwu na abụ bụ une okwu e ji echiche miri emi emepụta.

Ekwealor (2009:26) kwenyere n'ihe Nwachukwu ha kwuru ebe ọ kọwara na abụ dị ka ngalaba agụmagụ na-ejikarị enyookwu (nhurunuche) na ndanusoro arụ ọrụ. O kwuru na e nwere ụdị abụ dị iche iche dị ka o si metụta ọnọdụ ọbụla. Ha gụnyere;

- Abụ ikpe/nkọcha
- Abụ akwaarịrị
- Abụ ntọaja
- Abụ ekere
- Abụ echichemiriemi
- Abụ ọkwụ
- Abụ akụkọdike/odogwu
- Abụ nkuzi/nzikọ
- Abụ ilu
- Abụ ndụmọdụ
- Abụ ọrụ
- Abụ nwa
- Abụ ọha

Nze (2010:57-58) kọwara abụ dị ka nzimoozi nke si n'obi pụta nke e nwere ike dee n'akwụkwọ maọbụ zipụta n'ọnụ nke a na-eji okwu ọkpọka maọbụ okwu a pịrị aka maọbụ okwu bụ ịgbazipụta n'ụzọ dị nkenke.

**Uru abụ bara**

Abụ dị ka ngalaba agụmagụ ndị ọzọ nwere ọtụtụ uru ọ bara nke mere ya ọ pụrụ iche na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ n'ihi na ọ bụ nzimoozi na ntute mmụọ odee. Uru abụ bara gụnyere ndị a;

1. E ji abụ eme ka ndị a na-akọrọ akụkọ na-esonye maọbụ na-ege ntị ma a na-akọ akụkọ ifo n'ihi na ọ nwere ebe ha na-abụ abụ.
2. A na-eji abụ akụziri ndị mmadụ ihe ma na-ezikọ ha ihe mmụta na omimi dị na ndụ mmadụ n'ụwa.
3. Abụ na-akwalitekwa ma na-echekwaba omenala Igbo.
4. E ji ya anụru oge ma na-enyekwa mmadụ obi anụrị.
5. E ji abụ egosipụta ọnọdụ dị iche na ndụ mmadụ dị ka a mụọ nwa, e nwere abụ nwa. Mgbe a na-eru uju, e nwere abụ akwaarịrị iji gosi mnwute n'ebe onye nke ha hapụrụ ha nọ.
6. Achebe (2014:84) kọwara na abụ na-enweta obi iru ala, ọ na-enye ohere ikwu ihe mmadụ nkịtị e nweghị ike ikwunwu dị ka ikwutọ ajọ ọchịchị na ihe arụ na-eme nịobodo. Ọ na-enyere aka oge a na-eme ntuliaka iji kpọta akọnuche ndị mmadụ n'otu ọchịchị nke ha ga-atụnyere tụmadị oge e ji abụ ọnụ eme nke a. N'ikpeazụ, ọ kọwara na abụ bụ ụzọ mkparịta ụka n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ dị ka abụ ntọaja na ofufe.

Ihe ndị a niile gosịrị na abụ bara nnukwu uru site n'iji ya nọrụ oge ruo n'iji ya kuziri mmadụ ihe dị iche iche.

A ga-eleba anya n'abụ ndị a họọrọ iji zipụta ndị ọchịchị, ụdị ọchịchị na mmekọrịta dị n'etiti ha na ndị ha na-achị na obodo Naịjirịa dị ka ndị odee abụ ndị a sị zipụta.

**Nleba anya n'abụ ndị a hoọrọ**

"Ndọrọndọrọ"
Oge eruọla
Mgbe unu ji agba egbe ọnụ
Nke unu ga-eme
Na nke unu agaghị eme

Ọ nweghị ihe unu anaghị eme
Unu ga-eghe korota
N'obodo anyị niile
Obodo ọ bụla ga-enwe mmiri
Ọkụ eletriki ga-adị
Ma be ndị rụrụ ụlọ ata
Ọ bụghị sọ ndị a
Ụmụ akwụkwọ anyị
Ga agụ n'efu
Ụmụ nwoke agaghị akwụkwa takịsị
Be anyị ga-adị ka ala Bekee

Ndị oji ọnụ egbu ọjị
Ụsụ beere n'oji abụghịzị nwa
Anyị amarala ihe
Sọọsọ ndị nzuzu ka unu ga-aghọrịkwa
Gbanweenụ omume unu
Ka ihe dịrị anyị mma

Abụ a nwere nkebi abụ anọ. Nkebi nke mbụ na-egosi ihe na-eme oge ndọrọndọrọ. N'oge ahụ, ndị nwere mmasị ịzọ ọchịchị na-amalite ịchụ nta vootu n'aka ndị mmadụ, ebe a ka ha na-anọ ekwe nkwa dị iche iche ha ga-eme na nke ha agaghị eme.

Nkebi nke abụọ na nke atọ na-ezipụta nkwa a dị iche iche ha na-ekwe oge ọbụla ndọrọndọrọ ọchịchị ruru. Ha gụnyere; igbe korota n'obodo niile, ịnye obodo niile mmiri na ọkụ latriki, agụm akwụkwọ n'efu, ụmụ nwoke ga-akwụsị ịkwụ takịsị. Ihe ndị a niile bụ ihe agaghị eme ma ncha, ụfọdụ bụ ihe anụbeghị na mba ndị ọzọ dị ka ịsị na ụmụ nwoke agaghịzị akwụ takịsị. Ọ bụrụ na ha kwụsị ya, kedụ ebe a ga-esi kpata ego mba ahụ ga-eji na-arụ ihe n'obodo nke a gosịrị egbe ọnụ ha na-agba dị ka odee si kọwaa.

Nkebi nke anọ gosịrị e nweghị ntụkwasị obi nye ndị ọchịchị n'ihi ajọ omume ha na-emeso ndị mmadụ. Ndị mmadụ a katara ahụ n'ihe ha na-eme, etu ha si ekwe nkwa dị iche iche nke ha agaghị eme eme ma ha tunyechaara ha. Atụtụ Marx dị ka atụtụ na-eleba anya na mmekọrịta dị n'etiti ndị ọchịchị na ndị ha na-achị, ndị ukwu na ndị nta d.g.z. hụtara na abụ a gosiputara enweghị ezi mmekọrịta n'etiti ndị nọ n'isi ọchịchị na ndị ha na-achị. Naanị oge ha ji echeta na e nwere ndị ha na-achị bụ oge ndọrọndọrọ ọchịchị n'ihi na ha ga-achọ vootu ha iji tute ugo mmeri wee rigoro n'oche ọchịchị. Oge ahụ gachaa, ha echezọọ ha. Nke gosịrị na ha ji ndị ha na-achị eme ihe mkparị amụ. Oge ahụ ka ha ji achọpụta ihe ndị ha kwesịrị ịrụ maọbụ dozie n'obodo ka ha wee kwe nkwa imeha iji nata ihu ọma n'aka ndị mmadụ nke a mere ha ji ekwu ma nke ha ga-eme ma nke ha agaghị emenwu.

"Be anyị ga-adị ka ala Bekee"

N'ihi na enweghị ezi mmekọrịta, ndị mmadụ ejizighị okwu ha mere ihe n'ihi na ọ bụghị ụbọchị mbụ ha na-ekwe ha udi nkwa a mana emeghị nke ọbụla. Ọ bụrụ na ha nwere obi mmadụ, ha kara iji ego ahụ atụtara na takịsị ruzie obodo karịa ịfọnye ya n'akpa ha mee ka ihe kawanye njọ. A hụtara ka obi dị ndị mmadụ nke mere ha ji kwuo sị;

Ụsụ beere n'ọjị abụghịzị nwa
Anyị amarala ihe
Sọọsọ ndị nzuzu ka unu ga-aghọrịkwa
Gbanweenụ omume unu
Ka ihe dịrị anyị mma

A hụrụ ihe atụtụ Karl Marx kọwara n'abụ a n'ihi na ndị ọchịchị na-ahụta ndị ha na-achị ka ndị ha ji emezu iwu iji nweta ihe ha na-achọ. Ya mere, ha anaghị ebu ndị ha na-achị n'obi nke zipụtara na enweghị ezi mmekọrịta n'etiti ndị na-achị na ndị a na-achị maka na ọ bụrụ na e nwere ezi mmekọrịta, ihe niile a e kwere na nkwa bụ oke ruuru onye ọ bụla. Ndị a na-achị aghọtala na ndị na-achị ejighị ha kpọrọ ihe ya mere ha ji kwuo na ha amarala ihe.

**N'Ịchụ Nta Vootu**

Nye m vootu unu
Ka m si n'eluigwe dọtara unu mmiri
Nyenụ m vootu unu
Ka m si n'anyanwụ dọtara unu ọkụ latriki
Nyenụ m vootu unu
Ka unu gawa akwụkwọ n'efu
Nyenụ m vootu unu
Ka unu gawa ụlọ ọgwụ n'efu

Ajụkwana m ihe mụ ejighị mejụọ
Ọjụgọ jụtara is inkịta
I ji agba ya eme gịnị?
Nkwa m kwere n'oge nta vootu mbụ
Ma a sị m kwuo: m ga-asị
Na ọ bụ ụkọ ego si n'aka
Gọọmentịị etiti
Arụghịrị unu nke a na nke ọzọ
Maka aka mgba ndị steeti unu cheere
Gọọmentịị nke etiti.
Ọ bụ m ji ji jide mma
Okwu oke okwu bụ ọghọ oke ụgha
Cherenụ na nta ọzọ ga-eru

Abụ a zipụtara ihe ịgba anyammiri ndị a na-achị na-enwe n'aka ndị ọchịchị nke mere na ha enweghị ihe ha ji okwu ndị otu ọchịchị eme maka na ọ bụ mgbe ọbụla ha na-achụ nta vootu ka ha ji echeta ndị ha na-achị. Ha na-achụ nta vootu a, ọ dịghị udi ihe mmadụ anaghị anụ na ntị n'ọnụ ndị a na-azọ ọchịchị. ha na-ekwegide nkwa, kwee ma ihe enweghị ike imen'elu uwa a ma n'ụwa ọzọ.

A ga-ahụkwa na ihe zuuru ha oke na ndụ a n'ihi na ihe niile ha na-ekwu bụ ihe ha ga-emere "unu" ọ bụghị "anyị". Nke a gosịrị na ha nwezuru ihe niile ego ga-azụta naanị ihe ha chọrọ bụ ka ha nọrọ n'isi ọchịchị nwee ikike n'ebe ndị ọzọ nọ. O gosịrị ndịiche dị n'etiti ndị ukwu na ndị nta dị ka atụtụ a si kọwaa. Ndị ukwu nwere ọkụ, mmiri, ego, ụmụ ha na-agụ n'ụlọ akwụkwọ dị mma, ha na-aga n'ụlọọgwụ dị mma mana ndị nta e nweghị ohere ihe ọma ndị a niile nke mere ha ji achọ ezigbo onye ndu ga-enyere aka idozi obodo ka ọ baara onye ọbụla.

Oge ha rigoro n'isi dị ka ndị ọchịchị, ha agaghị eme ihe ọbụla ganye na ha arituo wee bịakwa ịrịọta vootu, ha ga-achọ ụzọ ha ga-esi mee ya ka ọ dị ka ọ bụ gọọmentịị etiti kpatara ihe mere na ha arụghị ihe ọbụla n'ihi ego adịghị n'akpa gọọmentị. Ha ga-ekwekwa nkwa ọzọ na ọ bụrụ na a tụnyere ha, ha ga-enwe ike imezi ihe ndị ahụ niile. Nke a zipụtara ihe atụtụ marxizm na-arụtụ aka na e nweghị ezi mmekọrịta n'etiti ndị na-achị na ndị ha na-achị.

**Ọchịchị**

A sị na ọ bụ onye kwuo uche ya
Ndị kwuru uche ha, anya ahụghị ha
Ndị nọ n'iyi ma were asọ na-asa ihu
Ha sị na ihe ga-adị mma
Ma ugbua, ọ bụghị otu akị ilu si ada
Ka o si atọ

Nke ugbua adịghị ọkụkọ
Onye anọghị nso ga-eche na ọ dị mma
Mgbe ọ na-ego redio na televishọn
Ụzọ niile dịzị ka ebe agbara ute
Mmiri pọmpụ na-agba espc aka
Garị bụzị atụrụ tawa
Mmanụ ụgbọala adaala n'ọnụ ahịa
Ụgwọ akwụkwọ bụzị n'efu
Nke ugbua dị egwu

Nke ugbua bụzị mmekpu
Onye ma nwanne ya kpọrọ
N'ihi ụkwụ egwu adaghariala
A na-eke ego ịlaghachi azụ
Maka ịbịa chịbakwa onye?
Ego otu nwaanyị akwụna
Na-esogharị ya, na-eti mkpu ọchịchị
Bụ ụgwọ ndị nkuzi mahadum
Mmadụ ise ka ọ na-eri kwa izu
Nke ugbua dị egwu

Naanị mmetụta o nwere bụ
Ka ọ bịaghachi ọzọ chịwa anyị
Ha sị na ọ bụrị ọgaranya
Nwee ọtụtụ ego
Biko gwanụ ya
O nwee ihe o chezọrọ
N'obi gọọmentị
Ya gaa weghara ya
Na ọchịchị ya ejula
Ma mmụọ ma mmadụ afọ

Abụ a gosịrị n'ihe emebiela kpamkpam n'ihi na ọchịchị kwesịrị ịbụ nke onye ọbụla ga-ekwu uche ya gbanwere maka na onye kwuo ma o kwutaghị, anya ahụdebe ya. Ọ dịghị ihe na-aga ka o si kwesị n'ihi na mba a nwere ihe kwesịrị ịzụ ndị nọ na ya nri ka ndị mmadụ nọ n'ime ya nwere eze na-akpa ekwere, ahụhụ na-arị ibe ya elu.

Ihe kacha njọ bụ na ndị ebighị n'ala a amaghị ihe na-eme n'ihi na ha na-egosi ebe niile mara mma n'igwe onyoonyo mana otu abughị ezi. Ha na-akọ naanị ihe ha mere ma nke bụ ezie ma nke bụ asị n'igwe redio nke mere na onye ebighị n'obodo ga-eche na ha niile bụcha ka o si dị na-amaghị na ndị mmadụ nọ n'ihe mgbu.

Oge ndọrọndọrọ ruo, ha malite ime ihe ọbụla ha nwere ike ime iji laghachite azụ n'oche gọọmentị. Oge ahụ, ha na-eke ego iji zụta echiche ndị mmadụ n'ihi na ha maara na agụụ juru ebe niile. Ọ bụ n'ihi ego ha na-ebugharị ka ụfọdụ ụmụ nwaanyị ejighị onwe ha aka ji agbaso ha iji napụta ha ego ha buputara.

N'ikpeazụ, o gosịrị n'ike agwụla ndị mmadụ ebe ha nọ. Ha akpatala ego niile ha chọrọ nke mere na ọ dịghị ihe kwesịrị igbochi ha ịla ezumike n'ebe ihe gbasara ndọrọndọrọ dị ka ohere pụtara ndị ọzọ nwere mmasị ịrụ ọrụ irigoro ka a mara ma ihe ọ ga-adị mma. Ndị mmadụ na-arịọkwazị ha arịrịọ ka ha nye ohere.

Abụ a gosịrị na ndị nọ n'isi ejighị ndị nọ n'okpuru ha kpọrọ ihe ya mere ha ga-eji kpakọrọ oke ha abụọ naanị ha ma na-echezị ndị ha na-achị ka ha kpọọ isi ala nye ha iji nweta oke ruuru ha. Abụ a gosipụtara ihe atụtụ a na-achọpụta na e nwere ka ndị nọ n'isi si emeso ndị nọ n'okpuru ha na etu ndị na-achị achị si emeso ndị ha na-achị.

**Arịrịọ**

Ihe ndị mmadụ chọrọ
abụghị okpokpo bekee na Igbo na-atọ ka ụtụ
ihe ndị mmadụ chọrọ
bụ mmiri a ga-anụ anụ na nri a ga-eri eri

Ihe ndị mmadụ chọrọ
abụghị ama bekee na-ejikarị ube
ihe ndị mmadụ chọrọ
bụ ụlọ ọgwụ na ụlọ akwụkwọ
ụmụ ha n'akwụghị ụgwọ
nọrọkwa ebe ahụ nweta ihe ndị isi, na-enwetaara
ụmụ ha n'akwụghị ụgwọ
ihe dịịrị ọsa mma na-adịkwuri uze

Ihe ndị mmadụ chọrọ
abụghị na "a ga-eme"
bụ na "a na-eme"
ndị mmadụ achọghị oji ọnụ egbu ọjị
ha chọrọ ekwueme

N'ebe a ka ihe niile gbazịrị n'anwụ etu ndị a na-achị achị si enwe mwute banyere etu ndị ọchịchị si emeso ha omume. Ndị mmadụ etiela mkpu mana o nweghị isi ya mere, ha malite ịrịọ ha arịrịọ ka ha mee ebere n'ihi na mmadụ ọbụla nwere mmụọ ntule amamihe kwesịrị ịnwe mmeda obi oge mmadụ niile na-arịọ ya ka ọ mee ebere. Ha ga-esị n'arịrịọ a hụta ihe ndị mmadụ tụrụ anya n'aka ha nke ga-abụ ha mee, ihe adịịrị onye ọbụla mma.

A hụrụ agwa ndị ọchịchị na-akpa oge ọbụla ha chọrọ ka ndị mmadụ binyere ha aka n'akwụkwọ. Ha na-ekwe nkwa agaghị eme eme, sụkata oyibo amaghị ebe o si apụta ka ọ wee dị ka ihe ha na-ekwu e nwere isi mana o nweghị. Ọtụtụ n'ime ha ga-ekwugide okwu na aṅụghị mmiri, ire ya a na-atọ ka ọtọbịrịbịrị. Odee zipụtara nke a n'ebe a

Ihe ndị mmadụ chọrọ
abụghị okpokpo bekee na Igbo na-atọ ka ụtụ

Arịrịọ a gosikwara ịkpa oke dị n'etiti ndị na-achị achị na ndị ha na-achị n'ihi na ọ bụghị ihe ndị nọ n'isi na-enweta ka ndị ọzọ na-erita. Ndị a na-achị gụsịsịrị ihe ha chọrọ ka ndị ọchịchị meere ha nke gụnyere mmiri ọṅụṅụ, nri ha ga-eri, ụlọ ọgwụ na ụlọ akwụkwọ ụmụ ha agaghị akwụ ụgwọ ya. Ebe ha ga-erite elele niile ndi isi na-erita.

ihe ndị mmadụ chọrọ
bụ ụlọ ọgwụ na ụlọ akwụkwọ
ụmụ ha n'akwụghị ụgwọ
nọrọkwa ebe ahụ nweta ihe ndị isi, na-enwetaara
ụmụ ha n'akwụghị ụgwọ
ihe dịịrị ọsa mma na-adịkwuri uze

Nkebi abụ nke atọ kọwara na ike agwụla ndị mmadụ ha ji anụ ihe niile ndị nọ n'ọchịchị na-ekwe na nkwa ma ha na-achọ ntuliaka nke ha anaghị eme ma ha rigoro n'oche ọchịchị, ha chọrọ onye na-ekwu ma na-eme ka ihe dịịrị onye ọbụla na mma.

Ihe ndị mmadụ chọrọ
abụghị na "a ga-eme"
bụ na "a na-eme"
ndị mmadụ achọghị oji ọnụ egbu ọjị
ha chọrọ ekwueme

Ọ bụrụ na ndị nọ n'isi ga-ege nti n'arịrịọ ndị mmadụ wee mee ihe dị mma ịhụ na ha mezuru ihe niile ha na-ekwe na nkwa ma a na-achọ ntuliaka ndị mmadụ oge ndọrọndọrọ ọchịchị, ọ ga-eme ka agụụ laa, ihe adị mma n'obodo, ọnwụ ebelata ma a rụọ ụlọ ọgwụ dị mma, ụmụaka agụwa akwụkwọ n'afu tụmadị ndị si n'ezinaụlọ aka adịchaghị ike, ọ ga-ewzuga tigbuo na zọgbuo nke ga-eme ka mpụ na arụrụala belata. Oge ihe ndị a niile mechara, anụrị na agamniihu ga-abata n'obodo.

N'ezie, ọ bụrụ na ndị na-achị na ndị a na-achị nọ nhatanha, agahị enwe ndị na-arịọ ka e meere ha ihe onye ọbụla maara ga-abaara ha uru. Ọ bụrụ na ndị nọ n'isi hụrụ ndị nọ n'okpuru ha ka mmadụ ibe ha, arịrịọ niile a agaghị eselite isi nke a gosịrị na dị ka atụtụ marxizm si zipụta na e nweghị ezị mmekọrịta n'etiti ndị na-achị na ndị ha na-achị.

**Ihe ndị a chọpụtara**

Nchọcha a gosipụtara site n'abụ niile a họọrọ na ndị ọchịchị na-achụ nta vootu oge ndọrọndọrọ, ha na-ekwe nkwa dị icheiche nke ha anaghị eme n'ikpeazụ. Ha na-emekwa ihe dị icheiche iji hụ na ndị mmadụ tụnyeere ha oge ha na-achọ itute ugo mmeri, e gosipụtakwara na ha na-emefu ọtụtụ ego mgbe a na-achọ ntuliaka. Ha na-ebugharị ụmụ nwaanyị anya na-enwu ọkụ ndị nke na-enyere ha aka ịchịkọta vootu ndị mmadụ site n'ego ha na-ebunye ha ịke ndị mmadụ. Ndị a nọ n'isi ọchịchị na-etinye ụmụ ha n'ụlọ akwụkwọ dị mma ma na-aga ụlọ ọgwụ dị mma oge arụ na-arịa ha ebe ha na-erita elele dị iche iche n'ihi ọkwa ha nọ na ya mana ndị a na-achị achị enweghị mmiri ọṅụṅụ, nri oriri ma ya bụrụ ụlọ akwụkwọ na ụlọ ọgwụ dị mma ha ga-aga.

Nchọcha a gosipụtara na e nwere ọtụtụ oghere dị n'etiti ndị ọchịchị na ndị a na-achị nke mkpochi ya ga-enwe isi ma ndị nọ n'isi kpebie ime ihe dị mma site n'imalite mewe ihe niile ha kwere na nkwa oge ha na-achọ ntuliaka. Ihe ndị a ka atụtụ marxizm chọrọ igosipụta ndịiche dị n'etiti ndị ukwu na ndị nta, ndị ọchịchị na ndị a na-achị dgz.

**Aro**

E ga-esi n'ihe a hụrụ n'abụ ndị a tụọ aro ga-abara ọhanaeze uru. Nke mbụ bụ na ọ ga-adị mma ka ndị nọ n'isi chegharịa uche ha banyere agwa ha na-akpaso ndị ha na-achị mata na ha bụ mmadụ etu ha onwe ha bụ ndị ọchịchị si bụrụ. Ndị nọ n'isi kwesịrị ịleba anya na nkwa ha na-ekwe oge ha na-achọ ntuliaka ma hụ na ha mezuru ya. Ha kwesịkwara ịmata na ịrụ ụlọ akwụkwọ na ụlọ ọgwụ dị mma ga-ewezuga ọtụtụ ihe mgbu nye ndị mmadụ di ka ọnwụ ike na mpụ na-amalite n'etiti ndị mmadụ site n'oke ịnọ nkịtị na enweghị ọrụ.

Ọzọ bụ ka ndị mmadụ cheba echiche ime ma a na-eme ntuliaka ka ha mata onye kwesịrị ịnye vootu ha n'ihi na mkpebi ọbụla ha mere oge a na-azọ ndọrọndọrọ ọchịchị ga-eso ha ganye na onye ha tụnyere achịchaa rituo.

N'ikpeazụ, ndị mmadụ kwesịrị ijide akpịrị ha aka ka ha hapụ iji n'ihi ego ndị na-azọ ọchịchị na-eke oge ha na-achọ ntuliaka maọbụ n'ihi agụụ refuo echiche ha banyere onye ha kwesịrị ịtụnyere.

**Mmechi**

Abụ a a gbaala agwa ndị ọchịchị n'ebe ndị ha na-achị nọ. O gosịrị na ndị ọchịchị anaghị eme ihe ha kwesịrị imen'obodo iji hụ na obodo dị mma. Ha na-achọ naanị akpa ha na ego ha ga-akpadoro ụmụ ha. Ihe niile gbasara ha bụ naanị etu o si metụta ezinaụlọ ha na ọdịniihu ha, ha anaghị echeta na ọ bụ ntuliaka ndị mmadụ ka ha ji ruo n'ọkwa ha nọ. Ọ ga-adị mma ma ndị ọchịchị kwụsị iji ego azụghata akọnauche ndị mmadụ ịnaghara ha vootu.

Ọ ga-abụ ihe kwesịrị ekwesị ma ndị mmadụ leruo anya ala oge a na-atụ vootu iji hụ na ha nyere ndị kwesịrị ekwesị vootu ha. Nke a ga-eme ka ha gbanarị idubata ndị ekwesighị ekwesị n'oche ọchịchị nke ga-ebute oke ihe ndaghachị azụ na ndụ ndị mmadụ na n'obodo.

**Edensibịa**

Achebe, N. (2014). "The conteụt and functions of Igbo oral poetry" in *Awka Journals of Linguistics and Languages* (AJILL). Vol.8 No. 1.
Anachunam. C.C. (2023). "Nzipụta Na Nkọcha Ajọ Akparamaagwa Ndị Ọchịchị Naịjirịa Site n'Abụ Ndị A Hụọrọ". *Igboscholars International Journal of Igbo Scholars Forum, Nigeria.* Vol. 16 No.1.
Ekwealor, C.C. (2009). *Agụmagụ Ederede Igbo n'Ozuzuoke.* Enugu: Paschal Communication.
Emenanjọ, N. (n.d) "Arịrịọ" n'*Ụtara Ntị.* Ibadan: Evans Brothers.
Emenanjọ, N. (n.d). "{chụ Nta Vootu" na *Nkemakọlam.* Owerri: Heins Nigeria.
Ezeuko, R.O & Anọwaị, J.I. (1989). "Ndọrọndọrọ" n'*Echiche.* Onitsha: Elites' Publishers.
Geys, B. & Mause, K. (2017). "Politicians". In Marciano, A., Ramello, G. (eds) Encyclopedia of Law and Economics. Springer, New York, http://doi.org/10.1007/ 978-1-4614-7883-6_370-1. Retrieved from researchgate.net on February 11th, 2026.
Ibitola, A.O. (2005). *Essential Literature in English.* Lagos: Tonad publishers.
Ifejirika, E. (2014). *Introduction to Literary Theory, Criticism and Practice*. Awka: Mabcom Systems.
Ifeka, O.R, Nsolibe,O. & Ezechukwu,T. (2010). "Ọchịchị" n'*Izunnwanne.* Onitsha: Perfect Image.
Ikedịmma, C.E. (2008). *Ụmị Agụmagụ Ọdịnaala na Nke Ederede.* Onitsha: Uchac Production.
Martinuzzi, Bruna (July 22,2022). "Leadership styles and how to find your own". Retrieved on January 19th, 2026. From http://www.americaneụpress.com.
Nneke, A.C. (2019). "Political Leadership in Nigeria: An Analysis of *Ụwa Bụ Agha".* Interdisciplinary Journal of African & Asian Studies. Vol. 5 No.3.
Nze, A.I. (2010). *Nchịkọta Akwụkwọ Maka Ule Siniọ Sekọndịrị.* Nnewi: Miss-Fav Publishers.
Nwachukwu-ajada, J.O.J, Oyeleye, A.L. & Uwasomba, C. (2005). *Literature-in-English 2006-2010.* Ibadan: University Press.
Rom, M. C., Hidaka, M. & Walker, R.B. (2022). *Introduction to Political Science.* Houston, Teụas: Openstaụ. Retrieved from http://openstaụ.org/books/introduction-political-science/pages/1-introduction on February 11th, 2026.
Udoma, N.B. (2025). "Ntụcha Abụ Ederede Igbo Ụfọdụ A Hụọrọ Dịka Enyo E Ji Ahụta Ebimndụ n'Ụwa". *Journal of Linguistics, Language and Igbo Studies*. Vol. 6 No.1.